# ỤLỌIKWUU AHỤ NKE DỊ NA ỌZARA AHỤ

## Ọpupu 25: 8; 26:1-37; 27:9-21; 40:1-38

### IHE-ỌMỤMỤ 70 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ayi nwere onye-isi-nchu-àjà di otú a, Onye nọduru ala n'aka nri nke oche-eze nke Idi-uku ahu di nime elu-igwe, Onye nēfè òfùfè n'ebe nsọ ahu, na n'ezi ulo-ikwuu ahu, nke Onye-nwe-ayi mara ọ bugh madu" (Ndi Hibru 8:1, 2).**

**I Ndụmọdụ Na Àtụmààtụ Niile Nke Chineke Maka Owuwu Nke Ụlọikwuu Ahụ**

1. Ebe ọ bụ na ihe ebu n'uche maka iwu Ụlọikwuu ahụ bụ ka Chineke wee nweeike ịnọ n'etiti ụmụ Israel, ọ dị mkpà ka anata ndụmọdụ site n'aka Chineke, Ọpupu 25:8, 9; Ọlu Ndi-ozi 7:44, 45; Ndi Hibru 8:1, 2, 5; 9:20-26
2. Ebe mbụ na ihe mkpuchi nke ime ụlọ nime ihe anọ ahụ bụ́ nke agaeji kpuchie Ụlọikwuu ahụ bụ ákwàmkwụba nke eji ogho ododo mee ihe ịchọmma ya, gaabụ kwa ihe àkpàrà àkpà n'oyiyi nke Cherubim, Ọpupu 26:1-6
3. Ákwàmkwụba nke abụọ tụkwasị n'elu nke mbụ ahụ gaabụ nke eji ajịewu mee, agaedozi kwa ya nkeọma otú ọ gaawụkwasị n'elu nke mbụ ahụ, Ọpupu 26: 7-13
4. Ihemkpuchi nke atọ na nke anọ gaabụ nke eji akpụkpọ ebulu esijiri ọbara ọbara, ya na ihemkpuchi nke akpụkpọ seal n'elu ya, Ọpupu 26:14
5. Òkpùkpù anọ ahụ n'otù n'otù gaabụ ọlụaka nke ejiri osisi jikọta were kwa ọlàedo machita ya, agaeji kwa nkume eji ọlaọcha mee, wee tọọ ntọala ya, agaeji kwa mkpirikpi osisi jikọta ha bụ nke eji ọlaedo machita, nke ekpunyere na mgbaaka eji ọlaedo mee, Ọpupu 26:15-30; 30:12-16; 38:25-28
6. Ihe agaeji mee àkwàmgbochi ahụ bú nke gaekewa Ụlọikwuu ụzọ abụọ bụ ezi ákwàọcha àkpàrà nkeọma, agaeme ya ka o yie cherubim, Ọpupu 26:31-35; Matiu 27:51; Ndi Hibru 10:19, 20
7. Agaeji ezi ákwàọcha àkpàrà nkeọma mee ákwàmkwụchi ọnụụzọ nke Ụlọikwuu ahụ, Ọpupu 26:36, 37
8. Gburugburu ezi nke Ụlọikwuu ahụ gaenwe ákwàmkwụchi àkpàrà nkeọma nke idè gaejide ha gaabụ ọla nke gaeji kwa ọlaọcha machita ọnụọnụ ya, Ọpupu 27:9-19

**II Owúwú nke Ụlọikwuu Ahụ na Itinye Ihe Ịchọmma ya niile**

9. Igbe ọgbụgbàndụ ahụ ka agaadọba n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile, n'àzụ́ ákwàmgbochi ahụ, Ọpupu 40:1-3, 17-21; Ndi Hibru 9:3-10
10. Tebụl ahụ, iheịdọba oriọna, na ebe ịchụàjà ọlaedo ka agaetinye n'ebe Nsọ ahụ, Ọpupu 40:4, 5, 21-28; 27:20, 21; Levitikọs 24:1-9; Ndi Hibru 9:1, 2
11. Ebe ịchụàjà nke ọla ahụ ya na ite ọsịsammiri ahụ ka agaadọba kwa n'etiti ụlọ nzute ahụ n'iru Ụlọikwuu ahụ, Ọpupu 40:6-8, 29-33
12. Ebeobibi ahụ, na ihe niile dị nime ya ka agaete mmanụ do kwa ha nsọ maka iji jee ozi dị nsọ, Ọpupu 40:9-12; Ndi Hibru 9:19-23
13. Ndị nchụàjà ahụ ka agaasa arụ, tee kwa ha mmanụ, doo kwa ha nsọ maka ijéozi ha, Ọpupu 40:12-16
14. Ebube nke Chineke jupụtara nime Ụlọikwuu ahụ dịka Chineke kwere ná mkwà na ọ gaadị, Ọpupu 40:34, 35; 25:21, 22
15. Ogidi igwèojii ahụ n'ehihie na ogidiọkụ ahụ n'abalị bụ ihe náedú ụmụ Israel n'arọ niile ahụ nke ha nọ nime n'ọzara, Ọpupu 40:36-38; Ọnu-ọgugu 9:15-23; Aisaia 4:5, 6

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ihe Ebu N'uche Maka Ụlọikwuu Ahụ**

Tupu Ụmụ Israel erue n'ala ahụ ekwere ha ná mkwà, mgbe ha naawagharị n'ọzara, Chineke chọrọ ka O nwee ebe obibi, maọbụ ọnọdụ n'etiti ha. Ọ chọrọ ka O nwee ebe tebụl Ya ganaadị mgbe dum, ebe aga náamụnye oriọna Ya mgbe dum, na ebe ndị nchụàjà -- bụ́ ndị náejere Ya ozi -- ganaechéré mgbe niile. N'ụzọ dị otú a ka Ọ chọrọ iji bịarue ndị nke Ya nso, ka O wee kụziere ha ihe, náedú ha, ma kpuchie kwa ha. Ọ bụ kwa nzube Ya na ọchịchọ Ya ka ha wee náefè Ya òfùfè ka mma, ma site kwa n'ụzọ ifè òfùfè a mezue ijéozi ahụ nke ejiri maka ya rọpụta ha dịka mba dị iche; ka ha, bụ́ ndị "ewere okwu si n'ọnu Chineke puta nye ha n'aka ná ntụkwasị-obi," bụrụ kwa ndị agaesi n'aka ha kụzie uche Ya dị ukwuu, iwu na ịhụn'anya Chineke nye ụwa niile.

Iji mezue nke a Chineke nyere orù Ya, bụ́ Moses, iwu edere na usoro n'ụ̀kpụ̀rụ̀ dị icheiche iji dụọ ha ọdụ̀. Tụkwasị kwa na nke a bụ usoro okpúkpé nke náatụ aka maka ọbịbịa Ya n'ụwa bụ Ihe ahụ nke kachasị ókéọnụ n'Eluigwe Onye gaakwụ ụgwọ mgbapụta nke mmadụ mezukwa ikpé ziriezi nke Chineke. Átụ̀màátụ̀ ahụ dị nnọọ óké ukwuu nke mere na aganaedú ndị ahụ site na nzọụkwụ rue ibe ya tupu rue mgbe agaekpughe ịdịelu na omimi

nke uche Chineke nye mmadụ. Otù nime nzọụkwụ nke àtụ̀mààtụ̀ a bụ̀ iwú ebe òfùfè a, maọbụ ebe obibi nke Chineke, bụ́ nke gaegbò mkpà nke imemmụọ nke ndị Israel na mgbe ahụ.

**Ebe Obibi Nke Chineke**

Ụlọikwuu ahụ, na mgbe ahụ dịka ebe obibi nke Chineke n'etiti ndị Ya, bụ́ iheàmà nke ịnọ nso Ya n'etiti ụmụmmadụ, ma n'ebe a ka apụrụ ikpuchi mmehie ha. Ọ bụ ụzọ nke apụrụ iji chọta iru Chineke. Ma ọ karịrị nke ahụ. Ọ bụ kwa ụdị, maọbụ onyinyo, nke onyinyeamara atọ ahụ nke NdịKraist -- nzọpụta, odudonsọ na ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ -- nke Chineke kwere ná mkwà ma rọpụta kwa nye ndị niile náachọsi onyinyeamara Ya kachasị mma ike. Ma otú ọ dị dịka ihe anaahụ́anya ọ naegosi onyinyo Kraist onye nọ dịka ụlọikwuu n'etiti ụmụmmadụ, na àjà ukwuu ahụ bụ̀ nke Ọ gaje ịchụ, otùaka ahụ kwa dịka ọnọdụ ịrịọrọ anyị arịrịọ bụ́ nke Ọ gaanọdụ mgbe Ọ kwụsịrị ụgwọ mgbapụta anyị. Ya Onweya, bụ nnọọ ezi ụdị nke "ezi ihe ahu gaje ibia," dịka ndị nchụàjà ahụ niile bụ́ ndị náejéozi nime ya bụ̀ kwa ụdị nke Onyeisi nchụàjà ukwuu ahụ, Jisọs Kraist, maọbụ dịka òfùfè ahụ niile n'onweha bụ̀ ụdị ụzọ dị icheiche nke Chineke ji ezute ndị Ya n'oge nke Amara a.

Ọ naeche ndị Israel iru na anyị onweanyị kwa -- ụzọ Eziokwu abụọ: Chineke ịbịaru ụmụmmadụ nso, na eziụzọ nke mmadụ iji bịarue Chineke nso. Mmadụ ịbịaru Chineke nso, otú esi efè òfùfè n'ụzọ pụtara ìhè bụ̀ nke edoziworo nkeọma n'Ụlọikwuu ahụ, ndị náeme ya bụ̀ náánị mmadụ olenaole bụ́ ndị arọpụtara n'Oge nke Iwu ahụ. Ndịa bụ̀ Ndịisi nchụàjà, bụ̀ ndị sitere n'àgbụ̀rụ̀ nke Eron. Ma n'Oge nke Amara a onye ọ bụla nwereike ịbịaru Chineke nso, n'ụzọ ahụ nke dị ọhụụ dị kwa ndụ -- Ọbara nke Jisọs -- wee nata kwa ngọzi nke atụkwasịrị ihe n'elu na urù dị icheiche karịa nke onye ọ bụla pụrụ ịnata n'Oge Agbà Ochie ahụ.

Ọ dịghị ụzọ ọ bụla dị mfé isi baa n'Ebe Nsọ ahụ náebughị ụzọ gafee ogige ahụ, bụ́ ebe nke ihe ịchụàjà nke nsureọkụ̀ naadị, nke bụ̀ kwa n'ebe anaagbaghara mmehie ma sachapụ kwa ajọomume niile. N'otù aka ahụ kwa ọ dịghị mfé ịbànye nime Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ Niile náebughị ụzọ gafee ebe ịchụàjà nke ọlaedo ahụ nke dị n'Ebe Nsọ ahụ, bụ́ ebe ana asachapụ mmehie nke eburu pụta ụwa na ihe ọjọọ nke dị nime obi. Anyị pụrụ ịhụ́ ugbu a naapụghị ido mmadụ nsọ ma ebughị ụzọ gụọ ya n'onye eziomume; (maọbụ gbaghara mmehie ya), ọ dịghị kwa onye pụrụ ịnata ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ma ebughị ụzọ doo ya nsọ.

**Nkọwa Zuruòkè Nke Owúwú Ụlọ Ahụ**

Mgbe anaeji nwayọ tụgharịa uche maka ihe niile edepụtara nke mere mgbe ha rapụsịrị Ijipt (Ọpupu 12:2; 13:4; 19:1; 20:18; 34:28), achọpụtawo na ebidoro owúwú nke Ụlọikwuu ahụ mgbe ọnwa isii gasịrị nke ndị Israel siworo n'Ijipt pụta. Nke bụ́ eziokwu bụ̀, eji ọnwa isii wuchaa ụlọ ahụ. Ndị ahụ jiri ọchịchọ obi ha rọpụtasịa ngwa ọlụ dị icheiche (Ọpupu 25:1-8; 35:4, 21-29; 30:12-26) anyị gụrụ na ha gosipụtara ezigbò mmasị pụrụ iche n'ọlụ a wee wepụta kwa ihe karịrị nke achọrọ. Ọnụọgụgụ ego eji lụọọlụ a ka anaeche na o ruru ₦1,500,000, maọbụ (otù nde na nari puku naira ise).

Aga ahụ na site n'ebe ọgụgụ nke iheọ̀mụ̀mụ̀ a, na ụlọ a nwere akụkụ dị icheiche. Nke mbụ bụ̀ ibo osisi nke akụkụ ya náaraghị nrata, nke nwere ihe mkpọnye ọlaọcha, nke ewere kwara mkpọrọosisi jikọta ha náagabiga nime mgbaaka ahụ nke ejiri ọlaedo machita. Ibo ahụ niile na mkpọrọ ha ka eji ọlaedo machita.

Ọ̀tụ̀tụ̀ àkwàmkwụba ka eji kpuchite ọlụñkà ndịa. Nke mbụ bụ ákwàmkwụba nke Ụlọikwuu ahụ, nke ezi ákwàọcha na ogho anụ̀nụ̀ iri na ogho ododo na ogho uhie, nke emere ka ha jikọta onweha nkeọma site n'iji ihe mkpọnye dị iche wee jigide ha. Ọ ga adị obosara otú ọ gaenweike ikpuchi elu ya, àzụ̀ na akụkụ abụọ site n'ihe dịka otù kubit wee rue ala. Ákwà ahụ gaenwe kwa ihe akpàrà nkeọma yiri ndị cherubim.

N'elu ákwàmkwụba ahụ ka ekpuchiri ákwàmkwụba nke ejiri ajị ewu mee. Nke a gaadị ukwuu karịa ákwà nke Ụlọikwuu ahụ, ákwàmkwụba iri na otù ka ha gaadị ọ bụghị kwa iri dịka nke mbụ dị. Ọ wụdaruru ala wee kpuchie kwa nke mbụ ahụ bụ ihe akpàrà nkeọma nime ya nke anaahụ́anya náánị nime. Akàrà nke ákwà mkwụba ajị ewu ahụ na nke ákwàmkwụba Ụlọikwuu ahụ adịghị adakọta, ọbụná ma apịakọta ya n'iru Ụlọikwuu ahụ, nke mere ka nkera ákwàmkwụba mbụ ahu dị ikputu karịa. Nke a naekpuchi njikọta ya niile ma náenye kwa aka igbochi ìhè, uzùzù, na igirigi. Ihemkpuchi abụọ nke ikpeázụ̀ gaabụ nke eji akpụkpọ ebulu esijiri ọbara ọbara mee, ya na ihemkpuchi akpụkpọ seal n'elu ya, nke mere ka onye ọ bụla nọ n'ezi ghara ịhụ́ ihe ọ bụla dị nime.

Ọnụụzọ Ụlọikwuu ahụ ka ejiri ákwàmkwụba nke ezi ákwàọcha kpuchie ya, nke yiri ákwà Ụlọikwuu, o nwekwara ihe akpàrà nkeọma dịka egosiri ya Moses n'Ugwu Sainai.

Ákwà mgbochi ka akwụbara n'Ụlọikwuu ahụ bụ̀ nke kewara ya abụọ, otù ka anaakpọ Ebe Nsọ ahụ ma nke ọzọ ka anaakpọ Ebe Nsọ Kachasị ebe Nsọ Niile. Ndị nchụàjà naabà n'Ebe Nsọ ahụ ijéozi ha kwa ụbọchị. Anaamụnye ọkụ̀ oriọna dị ukwuu n'Ebe Nsọ ahụ. Náánị Onyeisi nchụàjà naabà n'Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ Niile náánị otù ugbò n'arọ, n'Ụbọchị Mkpuchimmehie. Ihe náenye ìhè nime ụlọ a bụ̀ Shekina nke ebube Jehova (maọbụ ìhè sitere n'ebe Chineke nọ); adịghị ekwe ka ìhè nke náesi n'ezi bata nime ya.

Gburugburu niile nke Ụlọikwuu ahụ ka agbara ogige, ákwàmkwụba eji ákwà ọcha mee, nke ịdịelu ya dị kubit ise. Ogige a dị kubit 100 n'ogologo ya na kubit 50 n'obosara ya. Ụlọikwuu ahụ dị kubit 10 n'ịdị elu ya nke mere na apụ̀rụ̀ ịhụ́ ya anya site n'elu ákwàmkwụba ahụ mgbe ndị Israel naabịa nso ịchụàjà na ikpéekpere n'oge òfùfè ha

nke ụbọchị niile. Ejiri ákwàọcha akpàràakpà wee wuchie ogige ahụ nke yiri àkwàmkwụba ahụ bụ nke dị n'ọnụụzọ Ụlọikwuu ahụ. Ogige a bụ ihe yiri ikwenye dịka onye ikpé mara n'ihi mmehie.

**Ihe Ịchọmma Ahụ Niile Na Ihe Ha Naegosipụta**

Nime ogige ahụ ka etinyere ebe ịchụàjà nsureọkụ̀, bụ nke anaakpọ ebe nchụàjà nke ọla. N'etiti ebe ịchụàjà ahụ na Ụlọikwuu nzute ahụ ka etinyere ite ọsịsa mmịrị ahụ. Ebe ọ bụ na mbata na ịbịarute n'ebe ịchụàjà nke ọla ahụ bụ ime ka mmadụ mara mmehie ya na mkpà ọ dị ịnata mgbaghara nke mmehie ahụ, ebe ọ bụ n'ebe ahụ ka anaegbu ihe eji achụàjà ma chụọ kwa ha, ebe ịchụàjà nke ọla a ka anyị hụrụ na ọbụ ihe yiri ịgụ mmadụ n'onye eziomume maọbụ nzọpụta site nime mmehie. Ite ọsịsammiri ahụ bụ ihe yiri ọwụwụmmiri nke mmiri.

Ọlàọcha ahụ nke ejiri tọọ ntọala nke ide Uloikwuu ahụ na nke ejiri machite ọnụọnụ ide ahụ niile bụ nke náejide ákwà mkpuchi ahụ gburugburu ogige ahụ, ụzọ esi were ha bụ ihe náegosi anyị na o yiri ọnụahịa nke mgbapụta anyị. Ndị ahụ niile naabịakute Chineke ifè Ya òfùfè n'ụzọ eziokwu aghaghị ịbụ ndị agbapụtara. Aga ahú nke a na Ọpupu 30:11-16. Nke a bụ mkwupụta nke náegosi na mmadụ niile bụ ndị furuefu, mmadụ niile zọgidere ụkwụ n'otù ebe, na ha niile chọkwara mgbapụta. Ọgaranya agaghị enye karị, nke ahụ atụpụtara nke bụ nkera shekel (ihe ra ka 50 kobo) ma ogbenye agaghị enye nke dị ala. Nke a ka anaakpọ ego mkpuchimmehie. Nime Oziọma anyị niile aghaghị ịkwụ otù ụgwọ ahụ n'ihi nzọpụta -- inye chasị Chineke onweanyị na ụzọ anyị. Ọ dịghị onye ọ bụla anaahụ́ iruọma n'ikwe ka ọ kwụọ nke dị ntà maọbụ kwụọ karịa.

Ebe Nsọ ahụ naekwu ihe banyere ọlụ pụtara ìhè nke abụọ nke àmàrà Chineke: odudonsọ zuruòkè (Ndi Hibru 13:11-13). Ọbara sitere n'àjà ụfọdụ ka anaefesa na mpi ọlaedo ahụ nke dị n'ebe ịchụàjà, n'ebe a ka anwụrụọkụ̀ nke àjà nsureọkụ̀ ahụ náesi ísìụtọ naesi arịgokuru Chineke. Isure ihe nsureọkụ a nke náesi ísìụtọ náesepụghịaka bụ́ nke anaesure mgbe niile bụ ihe yiri ekpere na mkparịtaụkà nke náasụ̀ n'obi ahụ nke nataworo odudonsọ n'ezie, nke a apụghị ime nime obi ahụ nke ka nwere mgbọrọgwụ nke anụarụ na mmehie nime ya (Abù Ọma 141:2). Adịghị ewebata ọkụ̀ ọzọ dị iche maọbụ ihe nsureọkụ̀ náesi ísìụtọ n'ebe ịchụàjà nke ọlaedo ahụ. Ọ bụrụ na achọ ikpoju kwa ya ọzọ anaesite n'ebe ịchụàjà nke ọla ahụ weta ichekuọkụ̀, ebe anadịghị ekwe ka ọkụ̀ ya nyụọ, n'ihi na ọ bụ aka Chineke mụnyere yarịị na mbụ.

N'elu tebụl ọlaedo ahụ, ka anaadọba ogbe achịcha ahụ anaeche n'iru Chineke nke bụ́ ihe yiri nri nke Mmụọ ahụ nke anaesite na mnwekọrịta nke anaeme ka o guzosieike mgbe anyị bataworo nime Ebe Nsọ ahụ -- onyinye àmàrà nke odudonsọ zuruòkè. Achịcha a adịghị eme ochie maọbụ ịmaèbù, n'ihi na anaagbanwe ya kwa ụbọchị Sabat ọ bụla. Nke a naegosi anyị na anyị gana abịa na tebụl nke Onyenweanyị náesepụghị aka maka nri. Ngọzi nke ízùụkọ agaghị ezù rue ízùụkọ ọzọ, kama anyị aghaghị ịdị náenweta nke ọhụụ. Lee otú nke a si yie onwe ha; n'ihi na n'Ụbọchị Onyenweayị ọ bụla, karịsịa, anyị naabịa n'ebe ewepụtara iche bụ kwa ebe Chineke naasọpụrụ dịka ebe Mmụọ Ya naebi, ka anyị wee nata nri dị ọhụụ n'aka Ya.

Ihe ịdọba oriọna ahụ bụ ihe yiri ìhè nke Okwu ahụ na ọ̀tụ̀tụ̀ nke Mmụọ Nsọ nke anaenye onye ọ bụla nke bụ ezi onye òtù nke Nzukọ Kraist, ka o wee bụrụ ìhè nime ụwa (Nkpughe 1:12, 20; Matiu 5:14). Ọkụ̀ ya adịghị anyụ kwa anyụ kama anaeji ezi nleruanya na ikwesị ntụkwasịobi náelekọta ya ugbò abụọ n'ụbọchị. Náánị ezi mmanụ olive nke kachasị mma bụ́ nke Ụmụ Israel nyere dịka onyinye afọ òfùfò ka anaeji etinye nime ihe ịdọba oriọna a.

Nke ọzọ bụ ákwà mgbochi ukwu ahụ nke jupụtara n'óké ákwà dị icheiche nke anaadịghị achịgharị maọbụ iweli ya elu maọbụghị náánị n'Ụbọchị Mkpuchimmehie. Ọ naákpá ókè n'etiti Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ Niile bụ́ ebe ebube Chineke naadịgide ya na Ebe Nsọ ahụ bụ́ ebe anaewebata ọbara ahụ nke náekpuchi mmehie ebu pụta ụwa na ihe ọjọọ nke obi ụmụmmadụ. Lee otú ndị nchụàjà ahụ náejeozi n'ebe ahụ kwa ụbọchị gaabụworị ndị jupụtara n'egwù nke ịdịnsọ mgbe ha naabịarute nso n'ebe ákwàmgbochi ahụ dị, náecheta kwa na nime ebe ahụ ka ịdị ukwuu, ịdị nsọ, na óké ebube nke Chineke Pụrụ Ime Ihe Niile naebi!

N'àzụ̀ ákwà mgbochi ahụ ka Igbe Ọgbụgbandụ ahụ dị, igbe eji osisi mee were kwa ọlaedo machita kwa ya bụ ebe ahụ nke etinyere mbadamba nkume abụọ nke Iwu ahụ. Emesịa ite ọlaedo ahụ nke manna dị nime ya na mkpan'aka ahụ nke Eron mara ifùrù dị nime ya ka etinyekwara nime Igbe ọgbụgbandụ ahụ (Ndi Hibru 9:4). Ihe mkpuchi nke Igbe Ọgbụgbandụ bụ ezi ọlaedo nke a ka anaakpọ Oche Amara. N'elu ya ka ndị cherubim abụọ amachitara ọlaedo naagbasa nkù ha, náelegide anya nime Igbe ahụ na ihe niile dị nime ya.

Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ Niile bụ́ ihe yiri onyinye àmàrà nke atọ ahụ dị ukwuu nke onye Kraist, ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, bụ nke mere ya ka ọ dị mfé mbànye mgbe ákwà mgbochi nke Ụlọukwuu Chineke gbawara ibé abụọ n'ọnwụ nke Kraist, nke ebukwara ụzọ nye n'Ụlọ elu ahụ n'Ụbọchị Pentikọst. Mgbe Onyenweanyị naekwe anyị mkwà banyere Onyenkasiobi a, Ọ sịrị na mgbe Ọ gaabata nime obi anyị Ọ gaeduba anyị nime eziokwu niile. Igbe Ọgbụgbandụ ahụ, ya na mbadamba nkume abụọ ahụ, bụ ụdị nke Okwu Chineke nime obi anyị. Ndi cherubim ahụ naegosi ụdị ime iwu Chineke; Ebe Mkpuchi ahụ bụ ụdị Kraist mgbe Ọ naeguzo n'agbata ikpé ziriezi nke Chineke na iwu ahụ, ka ụmụmmadụ wee ghara ịla n'iyi rue mgbe ebighịebi.

**Ebe Eguzobere Ụlọikwuu Ahụ**

Ewùrù Ụlọikwuu ahụ n'etiti ọmụma Ụlọikwuu nke ndị Israel. Ọnụụzọ ya chere iru n'akụkụ ọwụwaanyanwụ mgbe niile. Jehova gwara Moses ka ọ maa ụlọikwuu ya na nke Eron na kwa nke ndị nchụàjà ọzọ n'iru ọnụụzọama

ogige ahụ. Ndị Livai gaebi kwa gburugburu ogige ahụ n’akụkụ atọ ndịọzọ ka ewee gbochie ndị náadịghị nsọ ịbarute nso n’ebe nsọ ahụ n’oge náekwesịghị maọbụ mee ya ka ọ dị ka na o nweghị iwu náachị ya. Ebo niile ndịọzọ gaebi gburugburu akụkụ anọ ahụ, ebo atọ dịrị otù akụ̀kụ̀.

Mgbe ọ bụla Jehova naachọ ka ụmụ Israel gaa n’iru ogidi igweojii ahụ naesi n’elu Ụlọikwuu ahụ bilie wee gaa n’iru. Ndị nchụ̀àjà naaba nime Ụlọikwuu wee chịkọta ihensọ wee were ákwà dị icheiche nke Ụlọikwuu ahụ kechie ha. Mgbe ahụ ndị Livai gaabịa nso onye ọ bụla o wee naebu náání ihe ahụ nke Chineke nyere ya n’iwu ibu dịka èzìnaụlọ ya si dị. Mgbe ọ bụla erutere ebe agaama Ụlọikwuu ahụ, ọzọ ndị Livai naeme ngwangwa wee ma Ụlọikwuu ahụ, ebe ha naesonye nime ahịrị nke njèm ahụ bụ́ ebe nke ọ gaabụ na mgbe ọ bụla amàrà Ụlọikwuu ahụ ndị Israel gaenweta ọnọdụ ha n’ebe dị icheiche nke akwadobere ha náenweghị ọgbaaghara maọbụ adịghị n’otù.

Mgbe amàrà Ụlọikwuu ahụ na nke mbụ ya, lee otú obi ụmụ Israel nke náada mbà gaabụworị ihe atutere, mmasị ha n’oge ahụ wee baaụba, akụkọ nke óké ọ̄ñụ wee náeru n’obi niile mgbe ogidi igweojii ahụ naabịakwasị n’ịdị ukwuu niile n’elu Ụlọikwuu ahụ, na gburugburu mbara ala ahụ! Chineke enwewo ebe obibi n’etiti ndị Ya: ka oge ra nke ha naanọgide n’egwù Chineke ebube nke iru Ya “nējuputa Ulo-ikwuu ahu” (Ọpupu 40:34), ha matakwara na ha nwere Onyendú náadighị adà mbà na Ebe mgbaba zuruókè.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị mere Chineke ji nye iwu ka amaa Ụlọikwuu ahụ?
2. Kpọọ aha ihe mkpuchi anọ nke Ụlọikwuu ahụ?
3. Gịnị kewara Ụlọikwuu ahụ nkeọma? Òlee otù ihe ukwu mere n’ikpeàzụ̀ nke wetara mgbanwe na nkewa a?
4. Gịnị bụ ihe ọlaọcha, maọbụ ntọala, naegosi? Òlee ebe igwè ahụ sitere?
5. Gịnị bụ̀ ihe mejupụtara ogige ahụ? Òlee otú esi kewapụ ya n’ebe ọmụma Ụlọikwuu Israel dị?
6. Gịnị bụ̀ ihe ndozi ahụ dị nime ogige ahụ? N’Ebe Nsọ ahụ? N’ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile?
7. Òlee otú Israel si amata mgbe ha kwesịrị ibuli ijè n’oge ọ bụla?
8. Ònye mara Ụlọikwuu ya n’iru ọmụma Ụlọikwuu ahụ?
9. Òlee otú ụmụ Israel si amata na obi naatọ Chineke ụtọ n’ebe ha nọ na Chineke nọnyere ha?
10. Kọwaa ọkwá dị icheiche nke ndị Livai na ndị nchụ̀àjà.